# NTỤLEKỌRITA ỤDAOLU N'OLU EZEAGU NA IGBO IZUGBE

**Dr. Christian E. C. Ọgwụdịle**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Email: cec.ogwudile@unizik.edu.ng

***Ụmị***
Isiokwu nchọcha a bụ ntulekọrịta ụdaolu n'olu Ezeagụ na Igbo Izugbe. Ebumnuche nchọcha a bụ iji chọpụta ma e nwere myiri na ndịiche dị n'etiti olu abụọ ndị ahụ. Ọ bụ n'olu okenye sitere n'Ezeagu ka a chịkọtara ahịrịokwu iri na abụọ e jiri mee nchọcha a. Ndị okenye a bụ ndị o nwebeghị mgbe ha hapụrụ Ezeagụ gaa biri n'obodo ọzọ. Ọ bụ usoro atụtụ akụkụ nnọrọ onwe ka a gbasoro wee mee nchọcha a. Nwa nchọcha chọpụtara na e nwere myiri na ndịiche dị n'etiti olu Ezeagu na Igbo Izugbe. Nchọpụta gosikwara na e nwere ụdaolu atọ n'olu Ezeagu dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe mana ụdansụda na-eweta ndịiche n'etiti mkpụrụokwu ụfọdụ n'olu Ezeagụ. A chọpụtakwaziri na e nwere mkpọgo na mkpọga na-abata n'olu Ezeagụ nke adịghị n'Igbo Izugbe. Ọ bụ mkpogo na mkpọda a na-apụta ihe n'asụrụasụ Ezeagu na-eweta ndịiche nke na-eme na a na-eji ya amata mgbe onye Ezeagu sụrụ asụsụ. Ebumnobi ọzọ nchọcha a nwere bụkwa ịkwalite asụsụ Igbo na kwa ịkpalite mmụọ ndị Igbo ka ha gaa n'ihu n'itule olundi dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo iji chọpụta ihe ndị ọzọ dị omimi banyere ha nke na-anaghị apụta ihe n'Igbo Izugbe.

## 1.0 Okwu Mmalite

Asụsụ bụ ihe dị oke mkpa na mba niile. Asụsụ zuru Igbo ọnụ . E wezuga asụsụ, ọ ga-enye nsogbu ịkọwapụta echiche mmadụ. Ọ bụ asụsụ mere mmadụ ji dị iche n'ebe anụmanụ nọ maka inwe mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nke a bụ nkwenye Azikiwe (1998) ma bụrụkwa nke doro onye ọ bụla anya. Asụsụ ọ bụla bụ ọkaibe n'ụzọ nke ya. Ọ nweghị asụsụ ka ibe ya mma n'ihi na ọ bụ otu mkpa ka ha niile na-egbo.

Anagbọgụ, Mbah na Eme (2010) sịrị na "asụsụ bụ ụzọ mmadụ si ekwupụta ebumnobi ya". Crystal (1971:175) kọwara asụsụ dị ka "ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya mebere iji kọwapụta echiche ya site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede". Nkọwa a gosisi na ọ bụ mkpa mmadụ nwere ime ka a mata ihe o bu n'obi kpalitere asụsụ. E nwere ọtụtụ olu asụsụ mejupụtara asụsụ Igbo. Ọ bụ ọtụtụ olu asụsụ ndị a ka ndị ọkammụta dị ka Ikekeonwu (1985) kwuru na e kere ụzọ isii. Ka e si asụ ya n'obodo ebe na-asụ ya gụnyere Igbo ndị Ọwụwa anyanwụ Naịja, Igbo ndị ọdịda anyanwụ Naịja, olundị mgbago ugwu, Igbo Nnọnetiti, Igbo Cross River, Olundị Ọhaji/Egbema. Izugbe, bụ "nchịkọba ọnụ nke a chịkọbara olumba dị iche iche nke pụtazịrị na o nweghị mba tosiri isi na Igbo Izugbe ma ọ bụ asụsụ ọ bụla nwerela olu Izugbe bụ asụsụ ndị be ha ka e jiri mebe ya (Ezemudo (1985:19).

Ofomata (1990:37) mekwara ka a mata na asụsụ bụ okwu mmadụ maọbụ mmebe na mwepụta okwu na mkpụrụ olwu. Ọ bụkwa akara mkparịta ụka nke uche na ebumnobi mmadụ. Nke a zipụtara na ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ, ụmụ anụmanụ bụ ụda mburu pụta ụwa ka ha na-eme.

Anozie (1999:29) kwukwara na

> E nwere ike iwere otu asụsụ kwụụrụ onwe ya ma ọ bụ otu n'ime olumba mebere asụsụ ọ bụla jiri ya mebe Igbo Izugbe, ihe dị mkpa bụ ileba anya nwere asụsụ ma ọ bụ olumba nke mmadụ niile nwere mmasị na ya (jiri ya mere asụsụ Izugbe)

Dị ka Anozie siri kọwaa, asụsụ Izugbe esighị n'elu daa, kama ọ bụ site n'olumba dị iche iche ka e si chịkọta ha. Nghọta dị etu a na-egosi na ọ dị nnukwu mkpa ileba olu dị iche iche mebere asụsụ Igbo anya ka e wee site na ha mee ka asụsụ Igbo na-eto otu o kwesịrị. N'agbanyeghị na Igbo Izugbe na-adaghachi azụ, nke ka njọ bụ na ụmụ irighiri asụsụ ndị mejupụtara ya na-anwụzi n'ike n'ike. Nke a soro kpalite mmụọ ọchọcha ileba anya n'ụdaolu dị ka o siri metụta olu Ezeagụ na Igbo Izugbe.

Asụsụ ọ bụla nwere nka asụsụ anọ ndị gụnyere ige ntị, ịsụ asụ, ịgụ agụ na ide ede. Na nka ndị a, ọ bụ ige ntị bụ nke mbụ n'ihi na ọ bụ ihe mmadụ nụrụ ka ọ na-asụ. Ezikeojiakụ (2004) na Ngoesi, (2004) kwuru na asụsụ bụ iji mkpụrụ okwu nwegasịrị nghọta ndị e nwere ike ịsụ asụ, dee ede ma ọ bụ gụọ agụ, mee ka a mata ebumnuche mmadụ.

N'edemede a, a ga-agbadokarị ụkwụ na nka odide n'ihi na ụdaolu n'asụsụ Igbo metụtakarịsịrị odide ya karịa ọsụsụ ya. Onye Igbo nwere ike ịkpọpụta mkpụrụ okwu mana mgbe o ruru n'odide na kwa ịkanye akara ụdaolu, ọ bụrụ ihe siri ike nye ya.

## 2.0. Ntụleghari Agụmagụ

### 2.1 Asụsụ na Olu Asụsụ

E nwere ọtụtụ asụsụ n'ụwa. Ọ bụkwa etu a ka e siri nwee olu dị iche iche e ji asụ ha. Ezeumọdu (1985) dị ka ọ dị na Ugochukwu (2017:135) kpọrọ olumba olu asụsụ, nke ọ kọwara dị ka olu ndị ahụ dịgasị iche iche mba dị iche iche ji asụ asụsụ. N'uche ya, ọ bụ olu ndị a ka e ji amata mba dị iche iche. Otu ndịiche pụtara ihe n'etiti asụsụ na olumba bụ na asụsụ karịrị olumba na nnukwu. Iji maa atụ, a bịa n'asụsụ Yoruba e nwere ọtụtụ olu asụsụ nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere Egbe, Ekiti, Ibado, Ife, Ijebu, Ijegba, Ilaye, Ondo, Owo na Oyo (Ugochukwu 2017:136)

Williamson (1965) kwuru na e kerichara asụsụ Ịjọ n'olu asụsụ dịgasị iche iche iji kwado ihe Hockett (1958) kwuru n'oluasụsụ soro mebe ihe omimi gbagwojuru anya dị n'asụsụ. Ndịiche na-adị n'olu asụsụ na nke ọzọ na-abasa abasa metụtasịa ihe dị ka ụda asụsụ, ụtọasụsụ, mkpọpụta okwu, ahịrịokwu na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Olaoye (2002) kọwara olumba dị ka ụdịdị dị iche iche nke asụsụ nwere, o peka mpe, otu ụzọ ma ọ bụ ụzọ dị iche iche ha siri yie onwe ha nke mere ka ha dị iche n'ụdịdị asụsụ ndị ọzọ. A chọpụtara site n'echiche Olaoye wepụtara na nkọwa ya na Olumba dị iche iche nke otu asụsụ ga-enwerịrị ihe jikọtara ha ọnụ nke ga-egosi na ndị niile na-asụ ya na-asụ otu nnukwu asụsụ. Ndịiche ndị a na-apụtakarị ihe n'ụtọasụsụ na mkpọpụta. Yule (1996:227) n'aka nke ya sị na olumba na-arụtụkarị aka n'ebe ụtọasụsụ, akpaokwu na mkpọpụta okwu dị. Nke a gosiri na olumba dị iche iche na-ewepụta ụzọ dị iche iche e si akpọpụta otu okwu, ndịiche na-adị na nsupe ha na kwa na nghọta ha. E zipụtara na mmalite nchọcha a na asụsụ Igbo so n'asụsụ nwere olu dị iche iche e ji asụ ya.

**3.0 Ụdaolu N'Asụsụ**
Ofomata (1995:150) kwuru na sụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọ bụ nke a mere ụdaolu ji di nnukwu mkpa n'ide asụsụ Igbo. E nwere puku kwuru puku asụsụ n'ụwa niile. N'asụsụ mba, a na-enwe ụdị ma ọ bụ ngalaba asụsụ abụọ site na etu e si eji mgbanweolu ha emebe nghọta pụrụ iche. Ọ bụrụ na mgbanwe olu nwere ike iweta nghọta, a na-asị na asụsụ ahụ bụ asụsụ ụdaolu. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na mgbanwe olu na-eweta nghọta pụrụ iche n'etiti ahịrịokwu na ibe ya, ma o bụ n'etiti nkebiokwu na ibe ya, a na-asị na asụsụ dị etu a bụ asụsụ ndebeolu (Ikekeonwu, Ezikeojalu, Ubani na Ugoji 1999). Asụsụ ndị bụ nke ndebeolu bụ: Hausa, Bekee na French ebe ndị bụ asụsụ ụdaolu bụ Igbo, Yoruba na asụsụ Ghana. Ndị ọzọ bụ asụsụ ụdaolu gụnyere otu asụsụ Eshịa dị ka Mandarin Chainiz, Bomeze na Tai.

Ogo olu bụ ihe dị nnukwu mkpa n'asụsụ, ọ bụ nke a mere na asụsụ dị iche iche ji ya eme ihe dị iche iche. E ji ogo olu ezipụta ndịiche dị n'otu okwu na ibe ya n'asụsụ ụfọdụ.

**3.1 Ụdaolu n'Asụsụ Igbo**
Ụdaolu gbadoro ụkwụ na piichi, ya bụ na ọ bụ na piichi ka e ji emepụta ụdaolu. Piichi na-apụta ihe site na mma jijiji mkpọụda. Asụsụ ọ bụla na-eji piichi eme nghọta pụrụ iche site n'otu mkpụrụ okwu ruo n'ibe ya bụ asụsụ ụdaolu. Ụdaolu bụ ihe dị omimi ma pụtakwa ihe nke ọma n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ ndị ọkammụta edeela maka ụdaolu n'asụsụ Igbo. Ha gụnyere Okonkwo (1974), Emenanjọ (1978), Orachalu (1987), Ngoesi (1989), Nwachukwu (1995), Anozie (1999), Ikekeọnwụ, Ezikeojiaku, Anosike na Ubani (1999), Mbah na Mbah (2010). Oruchalu (1962:141) kọwara ụdaolu dị ka ihe dị nnukwu mkpa n 'asụsụ Igbo. O kwuru na ọ bụ site n'ụdaolu ka e ji amata ihe dị iche n'otu okwu na ibe ya. Ihe nke a pụtara bụ na nghọta mkpụrụ okwu n'asụsụ Igbo dabeere n'ụda e jiri kpọpụta ya.

Ngoesi (1989:48) kwuru na ụdaolu pụtara mweli ma ọ bụ mweda olu wee kpọpụta mkpụrụ okwu iji zipụta ụda ya. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na ọtụtụ mkpụrụ okwu Igbo na-enwe nghọta dị iche iche site n'etu e siri welie ma ọ bụ weda olu mgbe a na-akpọpụta ha.

Emenanjo (1978:12-14) na Anozie (1999:27-29) lebara anya na ka asụsụ ụdaolu si eji ogoolu arụ ọrụ n'ụdị ịkanye akara ụdaolu n'elu nkejiokwu iji gosipụta ndịiche dị n'etiti mkpụrụ okwu na ahịrịokwu dị iche iche.

E nwere akara e ji ezipụta ụdaolu nke a kpọrọ akara ụdaolu. E nwere akara ụdaolu atọ n'asụsụ Igbo nke bụ

1. a. Akara ụdaelu [ ／ ] High tone
   b. Akara ụdaala [ ＼ ] Low tone
   ch. Akara ụdansụda [ — ] Down step tone

O doro anya n 'agụmagụ na ụdaolu na-arụ ọrụ dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ọrụ ụfọdụ ndị a gụnyere: izipụta ebe a ga-eweli ma ọ bụ weda olu iji mee ka mkpọpụta okwu zipụta nghọta e bu n'uche. Ụfọdụ na-ezipụta mgbanwe dị na nghọta maka okwu ndị nwere otu nsupe, nke a na-akpọpụta n'ụzọ dị iche iche. Ọzọ bụ izipụta nghọta nke e

bu n'uche ebe mkpụrụ okwu dị n'ahịrịokwu nwere ike ibute mgbagwoju anya. E jikwa akara ụdaolu ezipụta nkejiasụsụ ma ọ bụ ọrụ ụfọdụ mkpụrụ okwu na-arụ dị ka igosipụta; ntimiwu, mkpọaha ma ọ bụ nnọchi aha (maka nkejiokwu) mfinitiv, jerondụ dg.

N'ikanye akara ụdaolu atọ ndị a, ọ dị ụzọ ise e si akanye ha n'elu mkpụrụụda ndị na-ebu akara ụdaolu, Lee ha:

2. i. Ụdaelu ụdaelu [ ⸍⸍ ] High high (H H)
ii. Ụdaelu ụdaala [ ⸍⸌ ] High low (H L)
iii. Ụdaelu ụdansụda [⸍ ¯ ] High down step (H H/ H S)
iv. Ụdala ụdaala [ ⸌⸌ ] Low low (L L )
v. Ụdaala ụdaelu [ ⸌ ⸍ ] Low high (L H)

**3.2 Atụtụ Nchọcha**

Ọ bụ atụtụ akụkụ nnoro onwe ka e ji mee nchọcha a. Ọ bụ Goldsmith tụpụtara atụtụ a n'afọ (1996). Atụtụ a na-ewebata ụdaolu na nkọwa ya. Ọ bụ n'ihi na ọtụtụ asụsụ mba ụwa bụ asụsụ ụdaolu mere e jiri wepụta atụtụ a tinyere na atụtụ nsiniwu enweghị ihe o kwuru gbasara ụdaolu. Mbah na Mbah (2014) kwuru na atụtụ a na-ekwu na okwu ọ bụla nwere agba abụọ. Agba ndị ahụ bụ: agba ụdaolu na agba mkpụrụ edide. Atụtụ a na-ekwu na mgbe a na-akọwa okwu ọ bụla, a na-enwe atụmatụ ndị a:


Atụmatụ nseko: Nke a bụ usoro nke e ji akara eserese wee na-esekọ ụdaume, myiriụdaume na ụdaolu. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ ụdaume na myiriụdaume na-ebu akara ụdaolu n'asụsụ Igbo.

Ọmụmaatụ ndị a zipụtara ha bụ:

3 (a) a ka → agba mkpụrụ edide
| |  ọgbara nsekọ
e e-  agba ụdaolu

(b) e le  agba mkpụrụ edide
| |  ọgbara nsekọ
e e →  agba ụdaolu

(ch) ọ kụ  agba mkpụrụ edide
| |  ọgbara nsekọ
a a →  agba ụdaolu




Usoro nke abụọ na-ekwu na mgbe e nwere ụdaolu, nke na-enweghị ebe o kwụ, ka e sekọọ ya na ụdaume dị ya n'aka nri.

Nke atọ bụ mgbasa. Ihe iwu nke a na-ekwu bụ na mgbe e sekọsịrị ụdaume na ụdaolu, mana a ka nwere ụdaume nọọrọ onwe ya, na a ga-esekọ ya na ụdaume nọ ya n'aka nri. Ihe ọzọ pụtara ihe n'atụtụ a bụ na akara nsekọ abụọ anaghị aga onwe ha n'elu etu Mbah na Mba (2014:7ff) kwuru. Iwu atụtụ a bụ na akara nsekọ agaghị agafe ma ọ bụ metụta onwe ha. E wepụtara atụtụ a iji wee tụchaa ụdaolu, mkpọnimi, ndakọrịta ụdaume dg. Obianika (2006) jiri ya tụchaa ụdaolu dị ka o siri metụta mwube okwu Igbo Izugbe.

**4.0 Ndịiche dị n'ụdaolu  Olu asụsụ Ezeagụ**

Dị ka ụdaolu siri bụrụ ụda na-adị na nkejiokwu nke mkpụrụokwu ọ bụla ma a na-akpọpụta ha, Ezeagu nwere ụdịdị ụdaolu atọ. Ha bụ ndị a:

a. Ụdaelu [／]
b. Ụdaala [＼]
ch. Ụdansụda [－]

Na nchọpụta e mere, e nwerre myiri dị n'etu ụdaolu si apụta ihe n'olumba Ezeagu na nke Igbo Izugbe. Lee ụfọdụ atụ:

Ụdaelu ( / )

| **Igbo Izugbe** | **Olu Ezeagu** |
|---|---|
| 4.Anya | aya |
| Imi | imi |
| Afọ | ahwọ |
| Ihe | iɸe |
| Isi | ishi |
| Aka | aka |

Atụ ndị a  a na-egosi na  e nweghị ndịiche dị n'otu ụdaelu si abata na mkpụrụ okwu n'olu Ezeagu na Igbo Izugbe.

**Ụdaala (＼)**

| Igbo Izugbe | Olu Ezeagu | Gloses |
|---|---|---|
| àlà | ànə | 'Land' |
| ìtè | ìtè | 'Pot' |
| àgbà | àgbà | 'Jaw' |
| únè | únè | 'musical instrument' |
| ètè | ètè | 'rope' |
| òjà | òjà | 'Flute' |

**Ụdansụda ( - )**

| Ezeagu | Igbo Izugbe | Gloss |
|---|---|---|
| Élū | érō | 'mushroom' |
| Àjā | ájá | 'sand' |
| ógbə̄ | ógbū | 'dumb' |
| óshī | ohī | 'thief' |
| ígwē | ígwē | 'sky' |

Emenanjo (1991:36) kwuru na ọ bụ naanị ụdaelu na udaalu pụtakarịsịrị ihe ma zuo oke n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa ha na-eweta ndịiche na nghọta mkpụrụ okwu ma a chọpụtara na ụdansụda na-arụkwa ọrụ ụdaelu na ụdaala n'olu Ezeagu. Nchọcha a kwenyeere Mbah na Mbah (2010) na ụdansụda bụ ụda aka ya ma na-ewetakwa ndịiche na mkpụrụ okwu ndị yiri onwe ha. Nchọcha e mere na-egosi na ụdansụda pụtara ihe nke ọma n'olu asụsụ Ezeagu ma na-ewetakwa ndịiche na nghọta mkpụrụ okwu. Ịma atụ.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| élū | - | 'mushroom' | élù | - | ripe |
| ágə̄ | - | 'lion' | ágə | - | to fight |
| ézū | - | 'to take' | ézù | - | 'to meet' |
| ọ́zọ̄ | - | 'title' | ózò | - | 'Chimpanzee' |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| Ḿmā | - | beauty’ | Mma | - ´ | ‘knife’ |
| ódə | - | ‘pestle’ | ódə | - ¯ | ‘tail/market stall |
| ígwé | - | ‘sky’ | ígwè | - | ‘iron’ |

Na ọmụmaatụ ndị a di n’elu, a ga-ahụ na ụdansụda wetara ndịiche n’etiti mkpụrụ okwu ndị ahụ e depụtara. E wepụ akara ụdansụda, a gaghị ama ihe dị iche na mkpụrụokwu ndị e jiri maa atụ.

Ebe ọzọ e nwere ndịiche dị ka o si metụta ụdaolu n’usoro okwu Ezeagu na nke Igbo Izugbe bụ n’ebe ụda mkpọda dị. Dị ka Emenanjo (1989) siri kwuo, ụda mkpọda na-emetuta ogoolu e ji akpọpụta ahịrịokwu. O kwuru na ụda mkpọda dị iche n’ebe ụdaelu, ụdaala na ụdansụda dị n’ihi na a naghị akanye ya na mkpụrụ okwu. Ọ bụ naanị n’ahịrịokwu ka ọ na-apụta ihe. Ụda mkpọda na-egosi na ọ bụghị ogoolu e ji malite ahịrịokwu ka e ji emechi ya. Ọtụtụ oge, ogoolu na-adị elu na mmalite ahịrịokwu mana tupu ahịrịokwu abịa na njedebe, ogoolu na-adalata ala.

**4.1 Atụtụ Nnọrọ onwe n’Olu asụsụ Ezeagụ**

Ọ bụ atụtụ akụkụ nnọrọ onwe ka a ga-eji wee tụlee ndịiche ndị a chọpụtara n’olu asụsụ Ezeagu. Nke a bụ n’ihi na e nweghị ndịiche dị n’ebe ụdaelu na ụdaala dị n’olu asụsụ Ezeagu na Igbo Izugbe. Ọ bụ naanị ebe e nwere ndịiche ka a ga-eji atụtụ a tulee. Dị ka e gosipụtara na nchọcha a, ebe e nwere ndịiche n’olu asụsụ Ezeagu na Igbo Izugbe bụ na ụdansụda na kwa ụda mkpọda. Ya bụ a ga-eji atụtụ a tụlee mkpụrụokwu asaa ndị e jiri zipụta ụdansụda na kwa ahịrịokwu iri na abụọ sitere n’olu asụsụ Ezeagu na-ezipụta ụda mkpọda.

a. e nə ‘height’------ agba mkpụrụ edide — e nə ‘run

--------ogbara nsekọ

e n--------agba ụdaolu — e a

b. a gə ‘lion’---- agba mkpụrụ edide — a gə ‘to fight’

------------ ogbara nsekọ

e n-------------agba ụdaolu — e a

ch. e zu ‘lake’------agba mkpụrụ edide — e zu ‘to meet’

--------------ogbara nsekọ

e n--------------agba ụdaolu — e a

d. ọ zọ 'title'---- agba mkpụrụ edide    ọ zọ - 'Chimpanzee'

--------------ogbara nsekọ

e n--------------agba udaolu    e a

e. m ma 'beauty'--- agba mkpụrụ edide    m ma 'knife'

-------------- ogbara nsekọ

e n-------agba udaolu    e a

f. ọ də 'pestle'---- agba mkpụrụ edide    ọ də 'tail/market stall'

---------------ogbara nsekọ

e n-------agba ụdaolu    e a


g. ị gwe 'sky'------agba mkpụrụ edide    ị gwe 'iron'


------------- ogbara nsekọ


e n-------agba ụdaolu    e a


N'olu asụsụ Ezeagu, e nwere ahịrịokwu ndị na-egosi ụdamkpọda ọmụmaatụ:


| | Olu Ezeagu | Igbo Izugbe |
|---|---|---|
| 9. | Ọ bəhọkwa m | Ọ bụghị m |
| 10. | Ndee oye shiri nli mma? | Ònye sìrì nrri à? |
| 11. | O jehekwe na agə | O jeghị n'ugbō |
| 12. | Ọ kwa kəmma bọfələ | Ọ bù ùgbu à ḳà ọ pùrù |
| 13. | A mayọhọkwa m gə | A maghịzịkwa m gị |
| 14. | A gwanakwa m ịɸe ọhə | A gwazikwala m ihe ahụ |
| 15. | Anọ m nkəmma fụọ | Anò m ebe à. |
| 16. | Kọ nkəmma fụọ | Si ebe a pụọ |
| 17. | Ọ nọ n nsọkoshi aja | Ọ nọ n'akụkụ aja |
| 18. | Uche abịaha ngwa ngwa | Ùche àbịaghị ngwangwa |
| 19. | Ugwu abụho eʒigbo madə | Ugwu abụghị ezigbo mmadụ |
| 20. | Ayị abịaha ụyaa | Anyị abịaghị unyaahụ |


9.




10.




11.




12.




13.




14.



15. 


16. 


17. 


18. 


19. 


20. 


A ga-achọpụta na eserese ndị a na ọ bụghị ogoolu e jiri malite ahịrịokwu nke ọ bụla ka e jiri mechie ya. Ogoolu anaghị abụ otu mgbe a na-emepụta ahịrịokwu ndị ahụ site na mmalite ruo na ngwụcha ya. Udaelu ọ bụla na-adị elu karịa ụdaala ma dị ala karịa nke ọ na-esote ozigbo. Ọ bụ ụdị nrigo na nrịda ogoolu n’ụzọ dị etu a ka a kpọrọ mkpọda n’ụdaolu asụsụ ụfọdụ nke olu asụsụ Ezeagu so n’ime ha.

## 5. Nchọpụta na Mmechi

Nchọcha a malitere site n'ileba anya n'ihe olumba na Igbo Izugbe pụtara.Nchọpụta gosiri na olumba bụ asụsụ e jiri mara otu mba ma ọ bụ nke ọzọ ma Igbo Izugbe bụ asụsụ ozuruọha ọnụ. Ebe nleba anya nchọcha a bụ n'ụdaolu n'usoro okwu Igbo dị ka o siri metụta olu Ezeagu na Igbo Izugbe
Nchọpụta nchọcha a gosiri na e nwere myiri na ndịiche dị na otu ụdaolu si abata n'usoro okwu olu Ezeagu na nke Igbo Izugbe. A chọpụtara na e nwere udaolu n'olu asụsụ Ezeagu dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe. A chọpụtakwara na ụdansụda pụtara ihe n'olu Ezeagu ma na-ewetakwa ndịiche n'etiti okwu ndị nwere otu nsupe ma ọ bụ otu ụdị. Ihe ọzọ dị mkpa a chọpụtara na nchọcha a bụ na e nwere ụdị mkpogo na mkpọda ụdaolu na-abatakari n'asụrụasụ olu Ezeagu nke adịghị n'Igbo Izugbe. Mkpogo na mkpọda ụdaolu a na-eweta ndịiche n'olu Ezeagu nke na-eme na mgbe ọ bụla onye Ezeagu sụrụ asụsụ, ọ na-apụ iche site na otu o si ada na ntị. A chọpụtakwara na ụfọdụ ndị Ezeagu na-eme ihere ịsụ olumba ha otu o kwesiri n'ihi na ọ na-adịwaga iche na mkpọpụta okwu nke Igbo Izugbe.

Na mmechi, Ọchọcha wee na-echetara ndị Ezeagu tụmadị ndị sị na ihere na-eme ha ịsụ olumba ha tinyere ndị sị na ha amaghị asụ ya; na mmadụ hapụrụ ọfọ nna ya nyere ya were nwụọ, ibe ya na-eme ihe ike n'ama obodo, o si ọhịa gbafuo. Ọfọ nna nyere nwa ya wee nwụọ bụ asụsụ ha. E sizi n'ụzọ dị etu a na-adụ mmadụ niile ịsụ olumba ha na-eme ihere ọdụ, ka ha mara na olumba ọ bụla nwere nka mma dị iche iche e kwesịrị ka a gbaa n'anwụ iji mee ka asụsụ Igbo bụrụ ọ ka ibe na a kwaa a kwụrụ.

### Edensibịa


Anagbogu, P.N. Mbah, B.M na Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics 2nd edition.* Awka: Amaka Dreams.

Anozie, A.C. (1999). *Linguistiik Sayensị asụsụ.* Enugu: Fulladu Publishers.

Azikiwe, U. (1998). *Language teaching and learning.* Onitcha: Afrciana Fep publishers.

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo Izugbe maka Sekọndịrị.* Lagos: Longman Publishers.

Ezeụmudo, R.M. (1995). *Nchịkọta Ọmụmụ asụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas.

*Ezikeojiaku, P.A. (2004). Fọnọlọjị na ụtọasụsụ Igbo.* Lagos: Macmillan Nigeria Publishers.

Goldsmith, T.A. (1976). *Autosegmental Phonology.* Indian University Linguistics Club. (Publishers) by Garland Press 1979).

Hocket, C.F. (1958). *A course in Modern Linguistics.* London: The Macmillan Ikekeonwu, C.I. Ezikeojiaku, P.A. Ubani, A., na Ugoji, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press. Publishers.

Ikekeonwu, C.I. (1985). Aspects of Igbo dialectology: A comperative phonological study of Onitsha and central Igbo dialects. *Journal of West African languages,* vol. iv, 2.

Ikekeonwu, C. Ezikeojiaku, P.A., Ubani, A., Ugoji, J. (1999). *Fonologi na Grama Igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, B.M na Mbah, E.E. (2010). *Topics in phonetics and phonology: contribution from Igbo.* Nsukka: A.P. Express Publishers.

Mbah, B.M. na Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmanụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.
Ngoesi, M.L. (2004). *Nchikọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo.* Nkpor. Optimal Press.
Nwachukwu, P.A. (1995). *Tone in Igbo syntax.* Nsukka: Igbo Studies Association.
Obianika, C.E. (2006). "Autosegmental analysis of tone in Igbo associative construction" in O.M. Ndimele, C.I. Ikekeonwu and B.M. Mbah (Eds) *Language and economic Reforms in Nigeria.* Port Harcourt: M&J. Grand Orbit Communications & Emhai Press.
Ofomata, C.E. (1990). *Ụtọasụsụ Igbo seniọ sekọndịrị: Enugu: Format Publishers.*
O'Grady, W., Archibald. J., & Katamba F. (2011). *Contemporary Linguistics: An introduction (2nd ed).* London. Longman.
Okonkwo, M.N. (1974). *A complete course in Igbo grammar.* Lagos: Macmillian.
Okoye, A.A. (2002). *Introduction to Sociolinguisics.* Kaduna: Mafola Yomi Press.
Oruchalu, S.U. (1987). *Fundamentals of Igbo Spelling.* Benin City: Njikoka Press.
Ugochukwu, C.N. (2017). Ụdaolu n'usoro okwu Igbo: *Ndịiche sitere n'olu Nanka na Igbo Language studies.* Vol. 2. Pp 133-147.
Williamson, K. (1965). *A Grammar of the Kolokuma dialect of Ijo* (West Afrian Language monographs, 2).cambridge: Cambrdige University Press.
Yule, G. (1996). *The study of language.* Cambridge: Cambridge University Press.